# Ozi Nke Afo 2005 Maka Etu Ihe Siri Kwuru N'ihe Gbasara Otutu Ihe E Bu N'Isi Maka Agamnihu N'ogeafopuku

Otu Jikotara Uwa



# Ozi Nke Afo 2005 Maka Etu Ihe Siri Kwuru N'ihe Gbasara Otutu Ihe E Bu N'Isi Maka Agamnihu N'ogeafopuku

A Translation of "The Millennium Development Goals Into Igbo

Otu Jikotara Uwa

NEW YORK, 2005

# Okwu Mmalite

NNABATA NKE Otutu Ihe E Bu N'Isi Maka Ogeafopuku, nke sitere N'Ihe Otu Jikotara Uwa Kwuru Maka Ogeafopuku, bu ihe ukwu mere na ndu Otu Jikotara Uwa. O bu ohere puru iche nke ndi isi ala uwa nwere maka iji, otu mgbe, fu maka udo, nchedo, agamnihu, otutu ike iwu nyere mmadu ma otutu ohere mmadu nwere ime ihe masiri ya. Di ka etu m siri kwu n'akwukwo ozi nke m weputara n'onwa nke ato n'afo 2005 nke a kporo "N'inwekwu ohere: maka inwe maka mmadu niile agamnihu, nchedo ma otutu ike iwu nyere mmadu", nke akwukwo ozi nke a bu ihe ntukwasi ya. "Anyi agaghi enwe agamnihu ma enweghi nchedo, anyi agaghi enwe nchedo ma enweghi agamnihu, agaghi enwe nke obula na ha abuo ma enweghi nsopuru maka otutu ike iwu nyere mmadu Beelu so e mere ihe niile a, o nweghi nke ga-enwe isi".

Ihe E Bu N'Isi asato Maka Agamnihu N'ogeafopuku bidoro n'ibelata idaogbenye okara ruo n'ikwusi mgbasa oria Onyiridibia (nyabu HIV/AIDS) ma ime ka umuntakiri niile gaa obere uloakwukwo ___ ha dum n'afo 2015. Ha bu ihe mgbado ukwu nke obodo niile di n'uwa kwekoritara ma otutu otu di n'uwa n'afu maka mmepe ____ ha bu mbo obere ihe di nfecha biakwasi buru otutu oke ihe nwoke obula ma nwanyi obula no n'obodo, bido na New York ruo Nairobi ruo New Delhi, nwere ike kwado biakwasi ghota kwa ya. Ka mgbe e jiri n'abata ha, Ihe Niile Ahu E Bu N'Isi mere ka e jikota aka n'uzo puru iche n'igba mbo ka enyere ndi dara ogbenye nke ukwu n'uwa aka.

Kedu ihe kpatara na Otutu Ihe E Bu N'isi Maka Agamnihu di iche? O di uzo ihe ano kpatara nke a:

**Nke izizi,** Otutu Ihe E Bu N'isi Maka Ogeafopuku bu maka ndi mmadu ka ha bu n'isi, buru kwa ihe a kapibara onu mgbe a ga-eme ha biakwasi nwee ihe iziji etu ihe si aga.

**Nke aḅuo,** ha gbadoro ukwu n'obodogasi ijiko aka onu, n'ekwu otutu oru obodogasi n'eme emepe nwere maka idozi be ha, ma obodogasi mepere emepe ikwado mbo niile ahu.

**Nke ato,** ha nwere nkwado puru iche sitere n'aka ndi ochichi, nke ndi ukwu kasi elu kwadoro n'obodogasi mepere emepe ma ndi n'emepe emepe, otu abughi otu ndi ochichi ma otutu oke otu ndi n'afu maka mmepe.

**Nke ano,** e nwere ike imezu ha. Afo 2005 di oke mkpa n'oru anyi maka imezu otutu Ihe E Bu N'isi. N'onwa iteolu ___ afo ise ha jiri nabata Ihe E Kwuru Maka Ogeafopuku ma afo iri tupu a mara na E mezukwara Ototu Ihe E Bu N'isi ahu ____ ndi isi ala ga-enwe ogbako n'Otu Jikotara Uwa na New York iji were zijie mata etu ihe siri kwuru n'imezu nkwagasi ha kwere biakwasi kwuo otutu ihe ozo di mkpa a ga-eme. N'uzo di iche iche, ihe a ga-aru n'afo a kariri ahu karia etu o di n'afo 2000. Karia ma iweputa otutu ihe ohuru a ga-eme, ugbua ndị isi ga-ekwuriri etu ha ga-esi mezu ihe ha kwuru.


AKWUKWO OZI A N'EGOSI ETU IHE SIRI KWURU bu ya kachasi n'akwukwo ozi niile n'ekpokota onu na nsiji maka ebe ano, ma ebe e jeko, n'ebo obula di n'uwa. O na-egosi ijiko aka nke otutu otu di iche iche ma ndi di nime Otu Jikotara Uwa ma ndi adighi. Ndi obula wetara ozi zuru oke maka etu ihe siri kwuru n'oru ha, site na nke a n'eme ka ihe a n'ekwu doo onye obula anya biakwasi onu aburu n'otu.

Nke kasi nke, ozi ahu na-egosi anyi agamnihu e nwegoro n'akuku ufodu, ma etu ume oru foduru a ga-aru n'uzo ndi ozo ha maka imezu Otutu Ihe E Bu N'isi Maka Ogeafopuku.

O buru na ihe a na-aga etu o si aga ugbua, a mara na egwu di na otutu obodo dararisiri ogbenye n'uwa agaghi enwe ike imezu otutu ihe e bu n'isi. A gbanye etu ihe siri kwuru, udi enweghi ike ahu ga-abu ihe mwute n'ihi na o ga-abu ohere nara n'iyi. Ozi a na-egosi na anyi nwere ihe anyi ga-eji me ka o fo nwantakiri ka obodo obula nwee ike imezu Otutu Ihe E Bu N'isi. Ihe chere anyi n'ihu bu iji ngwa-oru ahu ru oru.

Di ka etu ni siri kwu n'akwukwo ozi nke onwa ato n'afo; "Ka anyi maka otutu nsogbu ga-adaputa ma o buru na anyi alaa ohere a n'iyi: Ndu otutu nde mmadu n'onuogugu a ka azoputa ga-ala n'iyi; otutu ohere ndi mmadu a ka enwee ha agaghi enwekwa ha; biakwasi anyi ga-ano n'uwa oke egwu ga-adi nime ya biakwasi na-ama jiji".

A na m ario ka e were akwukwo ozi a ka o buru nnukwu ihe a ga-eji ru oru na nzuko nke a ga-enwe n'onwa Iteolu, oge nke ahu ga-aburin oge a gaekwu ihe a ga-eme. Ihe dum e kwuru n'ebea ga-enyere ndi mmadu, otugasi abughi nke goomenti, Goomentigasi, ulo-nzukogasi ma otutu otu di n'uwa aka iru oru ha n'ime ka e mezuo Otutu Ihe E Bu N'isi Maka Ogeafopuku.



Kofi A. Anan
Odeakwukwo-Oha

# Ihe E Bu N'isi Nke Mbu 1

## Igbochapu Oke Idaogbenye ma aguu

Idaogbenye nke ukwu buriri oke nsogbu n'ebe ndi mmadi kariri ofu ijeri n'onuogugu n'ejiriri ihe penarili ofu dola ebi ndu n'ubochi. Aguu ma erijighi afo bu kwuazi oke ihe nsogbu: ihe kariri ndi mmadu nde nari asato n'onuogugu nwere nani ntakiri ihe ha na-eri n'ubochi.

A bia n'ebe umuntakiri no, enweghi nri a ga-eri bu oke nsogbu n'ihi na o nwere ike igbochi ha ito eto ma ha inwe ezigbo uburu biakwasi mee ka egwu di ma ha ga-adikwa. E kee umuntakiri di afo ise no n'obodogasi n'emepe emepe uzo ano ihe kariri otu uzo nime ha anaghi eriju afo.

E nwere ike imeri idaogbenye ma aguu. Nime Asia, ibelata aguu gara n'uzo turu ndi mmadu n'anya nke ukwu. Onuogugu ndi mmadu n'eji ihe penarili ofu dola ebi ndu ji ihe di ka mmadu nde nari abuo ha okara n'onuogugu gbadata bido n'afo 1990 ruo afo 2001 ___ oge e nwere agamnihu nke ukwu n'uzo aku na uba. Nime obodo kariri iri ato n'onuogugu, e belatara aguu n'ihe e penariro ofu uzo ma o buru na e kee ihe aguu na-agu uzo ano. Obodo iri na ano na ndia bu n'isi ojii Africa ka ha no, ebo o bu ha ka aguu na erijughi afo kasi.

# Ihe E Bu N'isi Nke Abuo 2

# Ime ka onye obula gaa obere uloakwukwo

Mmuta na-enye onye obula ike ikwu udi ndu o choro ibi. O na-enyere ha aka ikwu ihe bu mmuo ha na mmekorita ha na mmadu ibe ha, nime obodo ma ulo-oru. Ma a bia n'ebe ihe kariri umuntakiri onuogugu ha kariri ofu nde nari na iri ise kwesiri ino n'uloakwukwo ma ha anoghi, a napuru ha ike a iwu nyere mmadu.

Ndia na-abukari umuntakiri si na ngwurugasi dara ogbenye, ndi nne ha n'onwe ha amaghi akwukwo.

Ila mmadu n'iyi abughi nani umuntakiri ka o metutara. Mmuta, tumadi nke umuntakiri nwanyi, baara obodo uru ma n'uzo mmekorita ma n'uzo aku na uba. Umunwanyi ma akwukwo kara nwe ohere maka ichu aku na uba ma iruru obodo oru. Di ka ndi nne, ha na-enwekebe umuntakiri olemole ndi nwekwuaziri ahu ike karia umuaka ndi ozo ndi a turu anya na ha ga-aga akwukwo.Uru niile a bu uzo a ga-esi meri idaogbenye.

Ebo ise erubela ka ha ga-emezu ihe a choro n'ime ka onye obula gaa akwukwo. Imezu ihe e bu n'isi choro oke mbo n'isi oji Africa, mgbada Asia ma Oceania. N'ebo niile a ma ebe ozo, inwe mbawanye n'onuogugu umuntakiri no n'uloakwukwo chokwuru na a ga-agba mbo fu na umuntakiri niile ___ tumadi ndi na-ara ahu tupu e nweta ha ___ no n'ulokwukwo biakwasi nwee ezigbo mmuta.

# Ihe E Bu N'isi Nke Ato 3

## Ikwalite inwe nhatanha nwoke ma nwanyi ma ime ka umunwanyi kwusie ike

Nhatanha nwoke ma nwanyi bu ike iwu nyere mmadu biakwasi buru oke okpurukpu ihe n'imezu Otutu Ihe E Bu N'isi Maka Ogeafopuku. Nke a putara na a ga-enwe nhatanha na mmuta ma n'oru, nhatanha na nchukwa uzo e si apu ego ma nhatanha n'oru obodo ma uzo ochichi.

Inwe nhatanha na mmuta ___ ma n'obere ulokwukwo ma karia ___ di oke mkpa ma o buru na umunwanyi ga-esonye n'ihe a na-eme n'obodo ma n'aku n'uba uwa. Mana a bia n'otutu obodo, umuntakiri umunwanyi no n'azu.

Ofu nime otutu uru ezigbo mmuta bara bu egwu-adighi nke n'esi n'inwe ezigbo oru a na-akwu ugwo na ya. Mana otutu oge, a na-enye umunwanyi oru enweghi isi ma nke a naghi akwu ezigbo ugwo. N'agbanyeghi na umunwanyi abawanyela n'inwe ezigbo oru abughi oru-ugbo a na-akwu ugwo onwa, ha ka pere mpe n'oru a na-akwu ugwo n'otutu ebo, ma na a bia n'ebe abughi oru bekee ha kariri akari.

Inwe okwu onu n'ikwu ihe metutara ndu ha ___ bido n'ezinulo ruo n'ochichi goomenti ___ bu okpurukpu ihe n'ime ka umunwanyi kwusie ike. N'agbanyeghi na onuogugu umunwanyi na-abanwanye n'ulo nzuko ndi nnoghite-anya n'obodogasi ka mgbe afo 1990, o buru na e kee ihe no nime ulo nzuko n'uwa uzo nari umunwanyi bu nani iri na isii ka ha di.

# Ihe E Bu N'isi Nke Ano 4

## Belata onwu umuntakiri

Onwu nwantakiri bu oke ihe mwute.
Mana, kwa afo, ihe di ka umuntakiri onuogugu ha di nde iri na ofu na-anwu ___ nyaabu umuntakiri puku iri ato n'onuogugu na-anwu kwa ubochi ____ tupu ha ruo afo ise. Ihe kariri n'onuogugu ha bu n'obodogasi n'emepe emepe ka ha bi biakwasi na-anwu n'oria e nwere ike igbachidota maobu nke e nwere ike igwonu n'uzo adaghi onu. Oge ufodu, ihe kpatara onwu bu obere ihe di ka e nweghi ogwu n'akwusi ihenkpodu n'akuku maobu nnu iji kwusi otoro. Erijighi afo na-akpata onwu ihe kariri okara n'onwu umuntakiri a.

Idaogbenye so ebute onwu umuntakiri: agamnihu e nwere n'ime ka umuntakiri di ndu na-akpu akpu n'ibata n'obodogasi dara ogbenye ma n'irute ndi dara ogbenye nke ukwu n'obodogasi mepere emepe.Inwe nnukwu ihe mgbanwo n'uloogwu nke goomenti bu ya bu isi, tinye kwuazi inwe ezigbo mmiri ma gburugburu obodo idi ocha. Mmuta, tumadi nke umuntakiri nwanyi ma ndi nne na-azoputa ndu umuntakiri. Ime ka ndi mmadu nwetebe ezigbo ego nwere ike inye aka, mana o dighi ihe ga-enwe isi beere so nani na enyemekagasi rutere ndi choro ha aka.

# Ihe E Bu N'isi Nke Ise

5

## Mee ka ahuike ndinne diwanye mma

Imu nnwa kwesiri ibu ihe anuri. Mana a bia n'akuku nde umunwanyi n'onuogugu kwa afo, idu ime na imu nnwa na-ebi n'onwu otutu umunwanyi n'enwe otutu nsogbu maobu olusi, nke ga-abu, a gwoghi ya, nwere ike butere ya oke ahu mgbu na ihe ifere. Onwu nne na-emebiri umuntakiri nne ahu hapuru oke ihe, ndia nwere ike idanye n'ibu ogbenye biakwasi buru ihe a ga-eji eme a kaje.

Obodogasi ndi bidorola nwebe mbelata na ndi nne inwu n'imu nnwa enwebekwala agamnihu ozo. Mana nkea ezughi. Inwe mbelata n'obodogasi ihe kasi njo choro ka e nwekwuo ngwa-oru iji fu na ihe kariri n'onuogugu nwere nnekwa site n'aka ndi dokita, ndi noosi maobu ndi noosi maara maka ina nnwa ndi nwere ike igbochi, choputa maobu fu maka oke ihe ndaputa si n'imu nnwa. Mgbe nsogbugasi daputara, umunwanyi kwesiri inwe ike igbaga n'ezigbo ulo-ogwu zuru oke n'oge.

Onye obula inwe nnekwa na mkpachapu anya n'uzo imu nnwa, ikwado one ezinulo ga-ara, bu ya bu isi mbido n'ihe gbasara umunwanyi inwe ahuike. Nkea di oke mkpa maka ifu maka ihe kariri umuntakiri kariri ofu ijeri n'onuogugu n'akwado imalite ndu ha.

Ugbua umunwanyi onuogugu ha di nde nari abuo enweghi enyemaka n'uzo ichedo onwe ha.

# Ihe E Bu N'isi Nke Isii 6

# Buso oria Onyiridibia (nyabu HIV/AIDS), iba ma otutu oria ndi uzo agha

Nime afo iri abuo na ise ka mgbe e jiri kwu na o di, Onyiridibia bu ya bu oria n'egbunarisi ndi mmadu n'isioji Africa biakwasi buru onye nke ano n'oria n'egbunarisi ndi mmadu n'uwa niile. Ihe kariri nde iri abuo n'onuogugu ndi mmadu anwuola n'uwa ka mgbe oria ogbunamkpo a jiri malite. Biakwasi n'isi ngwuncha afo 2004, ihe di ka nde iri ato na iteolu n'onuogugu ndi mmadu bu oria Onyiridibia n'uwa. E wepugodu afufu ma nsogbu oria Onyiridibia na-ebutere mmadu, yabu oria ogbunamkpo doghachiri agamnihu azu n'otutu obodo o bu ha ka ihe kasi njo. O dighi obodo obula yabu oria pere. Mana e nwere otutu obodo n'ebuso ya ogu ___ biakwasi na-enwe mmeri. Ala Thailand ma Uganda na-egosi na e nwere ike idoghachi etu o si agbasia azu ma o buru n'enwee ezigbo ndi ochichi ma ebe ha na-aga. Ha bu ihe omuma atu n'ebe obodo ndi ozo no n'ihe gbasara ibuso oria Onyiridibia ogu.

O bu ezie na a naghi anu maka ha nke ukwu, mana otutu oria ndi ozo na-aru ala n'otutu obodo n'emepe emepe. Oria iba na-egbu nde mmadu n'onuogugu kwa afo, nke ozo a na-eche na o na-adoghachi agamnihu n'uzo aku na uba n'Africa site n'ihe di ka 1.3 pacenti kwa afo. Oria ukwara nta, nke e chere na emeriela ya, na-aloghachi azu, nke nwere enyemaka site n'inwe udi oria ahu anaghi anabata ogwu bikawasi a tukwasia nsogbu sitere n'aka oria Onyiridibia. N'agbaghi mmadu gharii, oria ato a bu n'otutu obodo danarisiri ogbenye ka ha puru ome. Biakwasi e nwere ike igbochi ha site n'inwe mmuta, uzo mgbochi biakwasi, mgbe oria biara, igwo oria ma nnekwa.

# Ihe E Bu N'isi Nke Asaa

7

## Mee ka gburugburu uwa kwuru chim

Ihe inwe gburugburu uwa kwu chim loro bu ifu na e ji akonuche were na-echukwa otutu ihe di n'uwa biakwasi na-echukwa uwa nkeoma nke o bu ya ka ndu anyi gbadoro ukwu. Mana a gaghi enwe nkwukwata ma e soro etu uwa si eri ihe maobu were ihe di na ya eme ihe ugbua. A na-emebisi ala n'uzo na-atu ujo. Otutu osisi ma umu anumanu na-efusisi nke ukwu n'onuogugu. Etu uwa siri kwuru n'ihe gbasara inwe okpomoku na mmiri igbanwe, ihe o na-eweta bu egwu idi site n'osimiri iri elu ma inwe ala okpoo nke ukwu ma inwe okẹ idee. A na-akufe azu oke ma otutu ihe ndi ozo bi na mmiri.

Umuogbenye bi nime obodo bu ha o ka okasi njo n'ihi na ndu ha bu n'otutu ihe Chukwu kere di n'uwa ka o gbadoro ukwu. O bu eziokwu na ndi mmadu igbaga n'ebogasi mepere emepe belatara nsogbu di n'inwe ala nime ogbe, o mere ka onuogugu ndi mmadu bi n'ebe enweghi isi na odu n'ebe mepere emepe na-abawanye. Ma nime otutu ebe mepere emepe ma nime ogbegasi, otutu ijeri n'onuogugu ndi mmadu enweghi ezigbo mmiri onunu ma ino ebe di ocha.

Imeri ihe ndia ma nsogbugasi si na gburugburu uwa choro igbado anya n'ihe gbasara umuogbenye karia etu o di na mbu biakwasi o choro uwa ijikota aka karia mgbe mbu. Ihe e megoru maka ibuso inwe oke okpomoku ogu gosiri na ihe ga-adi mma ma o buru na ndi ochichi etinye obi ha.

# Ihe E Bu N'isi Nke Asato 8

# NweeIjikoaka N'uwa Niile Maka Mmepe

Ihe bu isi n'Otutu Ihe E Bu N'isi Maka Agamnihu N'ogeafopuku bu nkwekorita e nwere na ibuso idaogbenye agha bu oru uwa niile. Ndi ga-ebu n'isi imezu Otutu Ihe A E Bu N'isi bu obodogasi n'emepe emepe, di kwa oke mkpa, tumadi obodogasi ihe sinarisiri ike, ma uwa niile inye aka di kwa oke mkpa. Nke ozo, n'uwa nwere mmekorita n'uzo aku na uba, imeghe uzo maka izurita ahia, uzo obodogasi si emekorita n'uzo ego ikwusi ike ma uzo e si emeputa ihe ohuru di mkpa iji nyere obodogasi n'emepe emepe aka n'inyere onwe ha aka maka mmepe.

Ihe Otu Jikotara Uwa Kwuru Maka Ogeafopuku choro na obodogasi n'emepe emepe ga-agba mbo maka ha inwe ezigbo usoro n'ihe gbasara uzo aku na uba, ka ha were nwee agamnihu nke ha biakwasi fu maka nsogbugasi ma mkpa gbasara ndi mmadu. Obodogasi mepere emepe, n'onwe ha, kwekoritara na ha ga-enyere obodogasi danarisiri ogbenye aka site n'inyere ha aka, ahia ma mbelata ugwo. Ezigbo njikota aka nke ga-adi n'etiti obodogasi ihe diiri mma ma ndi dara ogbenye ga-afu maka mkpa obodogasi n'emepe emepe nwere n'uzo imeputa ihe ohuru, ogwu ma orugasi maka ndi ala ha tumadi umuokorobia ma umuagboghobia onuogugu ha na-abawanye.

Oge uwa no na ya ugbua bu oge izizi uwa nwere ngwa-oru na uzo e si eme ihe nke a ga-eji me ka ihe diri onye ukwu mma diri onye nta mma. E nwere nkwekorita n'uzo a ga-esi were nwee agamnihu. Otutu Ihe E Bu N'isi Maka Agamnihu N'ogeafopuku, nke bidoro n'ibelata oke idaogbenye okara were ruo itinye umuntakiri niile n'obere uloakwukwo biakwasi belata mgbasa otutu oria n'efe efe di ka oria Onyiridibia, ihe niile a n'afo 2015, a burula ihe uwa niile kwekoritara di ka ihe mgbado ukwu maka isiji agamnihu, nke otu obula nabatara ma otu ndi enyemaka, ma obodogasi n'emepe emepe, otutu otu abughi goomenti ma otutu otu n'afu maka agamnihu.

E nwere ike imezu Otutu Ihe E Bu N'isi Maka Ogeafopuku -mana o ga-abu na ndi obula agbanwoo uzo ha si emebu ihe biakwasi mee ososo malite oru ugbua.

Mkpokota Isiokwu nke si n'aka Odeakwukwo-Oha, N'inwekwu Ohere Karia Mgbe Mbu

Published by United Nations Information Centre Lagos.
Tel: 01-2694886
Printed by donald rowlands LTD 08023007520